# JISỌS, ONYE AHỤ NÁENYE NDỤ
## Jọn 5:1-47; Luk 7:11-16
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 41 -- Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye nādigh-asọpuru Ọkpara adigh-asọpuru Nna nke zitere Ya" (Jọn 5:23).**

**I Jisọs Kraist, Dibịa Ukwuu Ahụ**

1. Nwoke ahụ arụ náadịghịike dinara iri arọ atọ na asatọ náenweghị inyeaka, Jọn 5:1-5
2. Ọ dịghị onye ọ bụla n'enyere ya aka, Jọn 5:6, 7; Abù Ọma 69:20; 22:11; 107:11-13; Aisaia 41:28; 63:5
3. Mgbalị nke nwere nrubeisi dị mkpà, Jọn 5:8; Nkpughe 22:14
4. Ọgwụgwọ bịara ngwangwa, Jọn 5:9; Aisaia 65:24
5. Enyereike sị "emehiela ọzọ," Jọn 5:14; 8:11; Matiu 9:6

**II Jisọs, ỌkparaChineke**

6. Ọ naalụọlụ niile nke Nna Ya, Jọn 5:17-21; 9:4; 10:37, 38
7. Ọ bụ Onyeikpé ikpèazụ nke ụwa niile, Jọn 5:22, 27-30; 2 Ndi Kọrint 5:10
8. O nwere nsọpụrụ ra ka nke Chineke, Jọn 5:23; Ndi Filipai 2:6
9. Ọ pụrụ inye ndụ ebighịebi, Jọn 5:24-26; 11:25; 14:6

**III Iheàmà nke Ụdị Chineke nke Kraist**

10. Jọn Onyeọwụmmiri kọwara Kraist, 5:31-36; 1:15, 29
11. Ọlụ niile nke Kraist naagbara Ya àmà, Jọn 5:36; 14:10, 11; 10:36-38
12. Chineke Nna naagbara Ọkpara Ya àmà, Jọn 5:37, 38; Matiu 3:17; 17:5
13. Akwụkwọnsọ nime Àgbà Ochie naekwupụta banyere Ya, Jọn 5:39; Aisaia 53; Abù Ọma 2:7
14. Moses dere ihe banyere Ya, Jọn 5:46, 47; Deuteronomi 18:15

**IV Ịkpọlite Nwanwoke nke Nwanyị Di Ya Nwụrụ na Nain**

15. Ekpughere obi ebere nke Kraist, Luk 7:11-13; Jọn 11:35
16. Egosipụtara ike mbiliten'ọnwụ nke Kraist, Luk 7:14, 15; Jọn 11:43, 44
17. Ndị ahụ nyere Chineke otuto, Luk 17:16

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

"Mgbe ihe ndia gasiri otù ememe nke ndi Ju di; Jisus we rigoro Jerusalem." Anaekwere na ememe nke a akpọrọ aha bụ Ememengabiga nke abụọ n'oge ijéozi nke Jisọs. N'ezie Jisọs nwere ihe abụọ kpatara O ji rịgoro Jerusalem isoro n'ememe ahụ: imezu ihe enyere n'Iwu, na izisa Oziọma ahụ. N'ijé maka ememe nke Ndị Ju anaeje ugbò atọ n'arọ (Ememengabiga, Pentikọst, na Ememeụlọikwuu) igwèmmadụ sitere n'akụkụ niile nke ụwa amaara n'oge ahụ náejé Jerusalem. Jisọs weere ohere a ịgbasa òkù nke Oziọma ahụ nye ndị sitere n'ebe dị anya na n'ebe dị nso. "Ma n'ubọchi ikpè-azu, bú óké ubọchi nke ememe ahu, Jisus guzoro, we tie nkpu, si, Ọ buru na akpiri kpọrọ madu ọ bula nku, ya biakutem, ñua miri" (Jọn 7:37).

Mkpasu nke mmiri, na ọgwụgwo nke náeso, bụ ihe mgbagwoju anya; ma adịghị amanye Chineke isoro otù ụzọ n'ịlụọlụ ebube. N'ijéozi nke Jisọs, O sitere n'ụzọ dị icheiche gwọọ ndịọrịa. N'oge a, O kwuru náánị okwu ewee mee ka arụ dị nwoke ahụ mma. Ọ dịghị ihe gaeme ka arụọụkà banyere ọlụ ebube Chineke náagbanyeghị ụzọ ọ bụla esi lụọ ya. Mmiri nke dị nime ọdọmmiri a enweghị ọgwụ nke pụrụ inye ọgwụgwọ karịa dịka mmiri Jọdan pụrụ ịgwọ ekpentá Neaman. Ọ bụ Chineke bụ Onye náagwọọrịa.

Site n'ọnọdụ nwoke ahụ arụ náadịghịike anyị hụrụ ihe ịmaàtụ nke ọnọdụ enweghị inyeaka nke mmadụ. Ọ dị ilu ochie nke anaatụ n'ụwa sị, na Onyenweanyị naenyere ha aka bụ́ ndi ahụ náenyere onweha aka. Jisọs bịara inyere ha aka bụ́ ndị ahụ náapụghị inyere onweha aka. Onye ọ bụla nke náenweta ihe site n'aka Chineke aghaghị ịbịaru ebe ọ gaamata adịghịike ya inyere onweya aka. Mgbe ọ bụla mmadụ chèrè na ọ pụrụ inyere onweya aka dịka iwu si dị, ọ gaghị ejekuru Onyenweanyị ka O nyere ya aka. Mgbe mmadụ matara adịghịike ya n'inyere onweya aka, wee gbakute onweya azụ̀ chigharịkute Chineke tụkwasị kwa Ya obi o nwere olileanya ịnata ihe n'aka Chineke. Mgbe Jisọs sịrị, "Ì nāchọ ka eme ka aru di gi nma?" nwoke ahụ arụ náadịghị ike zara sị, "Onye-nwe-ayi, enweghm madu …. " Nwoke a hụrụ ahụhụ iri arọ atọ na asatọ, o nweghị kwa onye gaenyere ya aka. Lee ka o si yie abụ̀ ahụ náasị anyị, na ọ dịghị ogweaka ọ bụla pụrụ ịzọpụta ọ dịghị kwa anya ime ebere rue mgbe Jisọs, Onye Nzọpụta anyị, sitere n'ebube rịdata. Ọbụná asị na mmadụ ọ bụla dị inyere ya aka ịrịda nime ọdọmmiri ahụ, ọ bụ náánị Chineke pụrụ ime ka arụ ya dị mma. Ndị enyi nke ụwa pụrụ inyere anyị aka n'ọnọdụ ụfọdụ, ma ọ bụ náánị Jisọs pụrụ ịzọpụta anyị. Nwoke a nwere mkpà nke nzọpụta, n'ihi na Jisọs sịrị ya, "emehiela ọzọ, ka ihe jọkariri njọ ghara ibiakwasi gi." N'ezie, mmehie butere ọrịa ya. Jisọs gwọrọ ọrịa ya, gbaghara mmehie ya, nye kwa ya ike "emehiela ọzọ."

"Ya mere n'ihi nka ka ndi-Ju nāchọ kari uzọ igbu Ya, n'ihi na ọ bugh nání na Ọ nēmebi ubọchi-izu-ike, kama Ọ nākpọ kwa Chineke Nna nke aka-Ya, nēme ka Ya onwe-ya na Chineke ra." Amaokwu a nyere ihe abụọ kpatara

ndị Ju jiri chọọ ụzọ igbu Jisọs. Nke mbụ, dịka omenaala ha si dị, o mebiri ụbọchị izuike. Ihe O mere emegideghị Iwu, kama omenaala nke ndị Ju. Jisọs gwara ndị Ju, "Unu nāju ihe Chineke nyere n'iwu nke-ọma, ka unu we debe ozizi nke enyere n'aka-unu idebe" (Mak 7:9). Lee kwa Jọn 7:23, 24. Nke abụọ O mere Onweya ka Ya na Chineke ra. Ọ dị n'ike Ya ime otú ahụ, n'ihi na Ọ bụ Chineke. "Onye, ọ bu ezie na Ọ diri n'udi nke Chineke na mbu, ma Ọ gugh ya n'ihe O gējidesi ike, bú ira ka Chineke" (Ndi Filipai 2:6). Lee kwa Jọn 1:1, 14.

Ọ dịghị ndịJu óké mkpà banyere ọgwụgwọ nke onye ọrịa ahụ -- na alụwo óké ọlụebube. Kama ihe dị ha mkpà bụ, Ònye mebiri omenaala ha wee sị nwoke ahụ "Chiri ute-gi nējéghari," n'Ụbọchị izuike?

Kraist bụ Onye náenye ndụ. Apụrụ inwe Ndụ ebighịebi site náání na Ya. "Onye nwere Ọkpara ahu nwere ndu ahu; onye nēnwegh Ọkpara Chineke enwegh ndu ahu" (I Jọn 5:12). Jisọs sịrị "Mu onwem bu uzọ, na ezi-okwu, na ndu: ọ digh onye ọ bula nābiakute Nnam, ma-ọbugh site na Mu" (Jọn 14:6). Jisọs gwara Mata, "Mu onwem bu nbilite-n'ọnwu na ndu:onye nēkwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ" (Jọn 11:25). Dịka ihe igosi ike nke mbiliten'ọnwụ Ya O wee kpọpụta Lazarọs nime ílì.

Ndụ ebighịebi karịrị ịdị ndụ rue ebighịebi. Mmadụ niile ékèrèèkè naadị rue ebighịebi. "Ọtutu madu nime ndi nāraru ura n'ala, bú àjà, gēteta, ufọdu ibà ná ndu ebigh-ebi, ufọdu ibà ita-uta riri nne na oyi agāsọ ha nke-uku mgbe ebigh-ebi" (Daniel 12:2). "Anwuru-ọku nke nmekpa-aru-ha nārigo rue mgbe nile ebigh-ebi" (Nkpughe 14:11). Ndụ ebighịebi bụ mmadụ na Chineke inwe mmekọrịta. "Ma nka bu ndu ebigh-ebi ahu, ka ha mara Gi, Nke náni Gi bu ezi Chineke, mara kwa Onye I zitere, bú Jisus Kraist" (Jọn 17:3). Tupu mmadụ amara Chineke ọ ghaghị ịbụ onye amụrụ ọzọ. Ndụ ebighịebi bụ mmadụ inwere onweya site ná mmehie na ikpéọmụmá.

"Ya mere ugbu a ọ digh amam-ikpé ọ bula diri ndi nọ nime Kraist Jisus. N'ihi na iwu nke Mọ nke ndu nime Kraist Jisus mere ka m'pua n'aka iwu nke nmehie na nke ọnwu, nwere onwem" (Ndi Rom 8:1, 2). Mmadụ inwere onweya pụọ n'amamikpé ka anaenweta site n'inwe okwukwe nime Ọkpara Chineke. "Ekpegh onye kwere na Ya ikpé: ekpewo onye nēkwegh na Ya ikpé ugbu a, n'ihi na o kwegh n'aha nke Ọkpara Chineke muru náni Ya" (Jọn 3:18).

Egosipụtara mbiliten'ọnwụ nke anụarụ na nke imemmụọ n'ebe ọgụgụ a. Mbiliten'ọnwụ nke imemmụọ: "Oge hour nābia, ugbu a ka ọ di kwa, mgbe ndi nwuru anwu gānu olu Ọkpara Chineke; ndi nuru gādi kwa ndu." Mbiliten'ọnwụ nke anụarụ nke náabịa: "Oge hour nābia mgbe ndi nile di n'ílì gānu olu-Ya, ha gāputa kwa; ndi mere ezi ihe gāba na nbilite-n'ọnwu nke ndu; ma ndi mere ihe nādigh nma gāba na nbilite-n'ọnwu nke ikpé."

Pọl gwara anyị na mmadụ niile gaapụta "n'usoro nke aka ha" (I Ndi Kọrint 15:23). Ndi nwụrụ nime Kraist gaebu ụzọ si n'ọnwụ bilie n'ọbịbịa Ya. Lee I Ndi Tesalọnaika 4:16, 17. Ndị nwụrụ náenweghị nzọpụta agaghị ebili rue mgbe ọchịchị otù puku arọ̀ ahụ gasịrị (Nkpughe 20:5). Emesịa agaekpe ikpé wee tụba ha nime ọdọọkụ ahụ (Nkpughe 20:11-15).

Luk 17:11-16 naenye ihe ịmàątụ̀ nke ike mbiliten'ọnwụ dị n'olu nke Jisọs. Ọ gwara onye ahụ nwụrụanwụ okwu, "Nwa-okorọbia, gi ka M'nāsi, Bilie" – onye ahụ nwụrụrị anwụ wee bilie.

NdịJu nke oge Kraist ekweghị na Ya, Ọ bụghị na ha chọrọ ihe gaeme ka ha kwere. Náání ọlụ Ya ezuwo igosipụta na Ọ bụ Chi. Ọ sịrị, "Ọ buru na alughm ọlu Nnam, unu ekwelam. Ma ọ buru na aluam ha, ọbuná ma asi na unu ekwegh Mu onwem, nēkwerenu ọlum: ka unu we mara nāmagide kwa na Nnam di nimem, na Mu onwem di kwa nime Nnam" ( Jọn 10:37, 38).

Jọn Onyeọwụmmiri gbaraàmà ịbụ Chi nke Kraist mgbe o tiri mkpu sị, "Le, Nwa-aturu Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa" (Jọn 1:29). Ịgbáàmà niile nke Akwụkwọnsọ banyere Kraist bụ ihe náegosipụta na Ọ bụ Chi. "Ọkparam ka gi onwe-gi bu; Mu onwem amuwo gi ta" (Abù Ọma 2:7). Moses, onye ndịJu kwupụtara ntụkwasịobi ha n'ebe ọ nọ, dere, "JEHOVA, bú Chineke-gi, gēme ka onye-amuma, nke di ka mu onwem, biliere gi site n'etiti gi, site n'umunne-gi; onye ahu ka unu gēge nti" (Deuteronomi 18:15). Ugbò abụọ ka Nna kwuru okwu site n'Eluigwe sị, "Onye a bu Ọkparam M'huru n'anya, Onye ihe-Ya dim ezi nma" (Matiu 3:17). Lee kwa Matiu 17:5.

Náagbanyeghị ihe niile na agbááṁà na Kraist bụ Chi, NdịJu niile jụrụ ikwere na Ya. Jisọs gwara ha banyere onye ọzọ nke gaabịa "n'aha nke ya onwe-ya" onye ha gaanara. Nke a, náarụghịụkà, naatụaka ọbịbịa nke onye ahụ náemegide Kraist. Lee Nkpughe 13:8.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere ndị Ju ji chọọ ụzọ igbu Jisọs?
2. Chọpụta ọlụ ebube ndịọzọ Jisọs lụrụ n'Ụbọchị izuike.
3. Kpọọ oge ndị ahụ emere ka ndịnwụrụanwụ bilie n' oge Baịbụl.
4. Nye otù nkọwa sitere n'Akwụkwọnsọ banyere ndụ ebighịebi.
5. Kpọọ aha ihe dị icheiche ná agbááṁà ike nke Kraist.
6. Gịnị ka Jisọs naekwu mgbe Ọ sịrị, "Ọkpara apugh ime ihe ọ bula n'Onwe-ya"?
7. Chọpụta otù amaokwu sitere n'Àgba Ochie nke yiri Jọn 5:29
8. Chọpụta ebe ọgụgụ ọzọ niile sitere n'Akwụkwọnsọ nke náadịghị n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a nke ná akọwa Kraist dịka Onyeikpé ikpèazụ̀ nke ụwa.
9. Gịnị kpatara Jisọs jiri mee ka nwanwoke nke nwanyị ahụ di ya nwụrụanwụ sitere na Nain si n'ọnwụ bilie?
10. Chọpụta Nain n'iheosisè nke ụwa. Òlee obodo ndị dị ya nso? Cheta ọlụebube ndịọzọ alụrụ n'ebe a.